# ỌNỌDỤ NSỌKWỤNYE N'USOROOKWU N'OLU ỤMỤAHỊA

**GLORIA NKIRU EGWUONWU-CHIMEZIE**
MAHADUM STEETI IMO
nkiruglory09@gmail.com

**Na**

**CHISOM BRIGHT CHIMEZIE**
MAHADUM STEETI IMO
chisombright9@gmail.com

**Ụmịedemede**
*N'ụtọasụsụ Igbo, nsọkwunye bụ otu n'ime isiokwu ndị gbara ọkpụrụkpụ pụtara ihe. Nsọkwunye bụ otu n'ime nkejiasụsụ nke nwere ike iso ngwaa. Ọ na-etinyekwu nghọta n'okwu ọbụla ọ na-eso. E nweela ọtụtụ ndị mmadụ, ọ kachasị ndị odee nakwa ndị ọkammụta ndị deela ma mekwaa nchọcha gbasara ya. Nchọcha nke a tinyekwuru aka na nnyocha nsọkwụnye: Ihe ọ bụ, ụdị ọrụ ọ na-arụ, ọmụmaatụ ya dị icheiche nakwa ọnọdụ ya n'usoro okwu Igbo n'olundị Ụmụahịa. E sitere n'akwụkwọ dị iche iche nakwa okwu ọnụ ndị mmadụ bụụmụafọ Ụmụahịa biterela ọtụtụ afọ n'Ụmụahịa wee nwete ngwa nchọcha. E ji atụtụ echiche nhazi asụsụ na usoro nkọwasị wee tụchasịa ngwa nchọcha a. Nsọkwunye na-agbatịkwu nghọta dị n'ahịrịokwu, ọnọdụ ya n'ahịrịokwu na-egosi ụdị nsọkwunye ọ bụ. Na mmechi, a chọpụtara na nsọkwunye nwere ike ịnọ ọnọdụ ọbụla n'usorookwu Igbo. Ha nwere ike ịnọ na mbido, etiti maọbụ na ngwụcha usorookwu. Nsọkwunye anaghị agbanwe mpụtara dị n'okwu ma ọ bụrụ na e wepụ ya n'ahịrịokwu, kama ọ na-etinyekwu nghọta n'okwu.*

## Nduba

### Ntọala Nchọcha

Ihe mejupụtara asụsụ ọbụla bụ mkpụrụokwu dị icheiche ndị a haziri nke ọma n'usoro dị mma nke ga-ekwe nghọta maọbụ nwere mpụtara. Nke a bụ nke e nwere ike ịkpọ usorookwu, n'ime usorookwu a, mkpụrụokwu niile mejupụtara ya nwere ọrụ dị icheiche ha na-arụ, ya ka a na-akpọ nkejiasụsụ.

Nkejiasụsụ bụ nkewa e kewara mkpụrụokwu, ọdịdị nakwa ọrụ ha na-arụ n'asụsụ Igbo. Asụsụ ọbụla nwere nkejiasụsụ dị iche iche nke nsọkwụnye bụ otu n'ime ha.

Ọ dị mkpa ka anyị mata na asụsụ bụ onyinye ọkpụ Chineke nyere mba niile. Ndị ọbụla nwere asụsụ ha, nke a ka e nwere ike iji sị na mba na-achị n'olu n'olu n'ihi nkụ dị na mba na-eghere mba nri. Asụsụ bụ ihe nne na nna na-akụziri ụmụ ha. Ọ bụ nwa nwa tote, ọ mụta. Asụsụ bụ usoro ọbụla mmadụ ji egosi ihe dị ya n'obi, nke ọ chọrọ ka a mata. Asụsụ abụghị sọ ekwuru n'ọnụ (Okolo na Ezikeojiakụ, 1999).

Asụsụ Igbo bụ asụsụ malitere mgbe gboo nke a pụtakwara na asụsụ Igbo sokwa bụrụ asụsụ ọkpụ. Asụsụ Igbo bidoro mgbe ndị Igbo bidoro ndụ ha. Asụsụ Igbo bụ otu ejirimara ndị Igbo. Asụsụ Igbo bụ asụsụ ụdaolu. Ọ bụ asụsụ Igbo ka ndị Igbo ji egosipụta omenaala, ọdịnaala na agụmagụ Igbo.

Asụsụ Igbo bụ otu n'ime asụsụ e nwere na Naịjịrịa. Ọ bụ otu n'ime asụsụ kacha apụta ihe n'ala Naịjịrịa. Ọ bụ naanị na mpaghara ala Igbo ka a na-asụ ya karịa. Asụsụ Igbo nwere olundị dị iche iche bụ nke e ji mara mpaghara ala Igbo dị iche iche ma nwekwaa izugbe ya, ya bụ asụsụ Igbo nke nwaafọ Igbo ọbụla maọbụ onye ọbụla mụtarala asụsụ Igbo na-asụ na-aghọtakwa.

Ụmụahịa bụ otu mpaghara olu e nwere n'asụsụ Igbo nke so n'otu Igbo nnọnetiti ọwụwanyanwụ. Ụfọdụ na-akpọkwa ya Igbo bi na ndịda (Ugwuona, Nwankwo na Nweze, 2020)

Okafo na Ewelukwa (2018:180) na-akọwa Nsọkwunye dịka mkpụrụokwu nwere ike ịdabanye n'ebe ọbụla n'ahịrịokwu iji mee ka ahịrịokwu ahụ nwewaga nghọta dịka ọ dị na mbụ. Ọfọmata (2018:79) kwuru na nsọkwụnye bụkwa mkpụrụasụsụ mgbakwụnye ọzọ e nwekwara n'asụsụ Igbo. Na ọ bụ nsọkwụnye bụ mgbakwụnye ikpeazụ a na-etinye na mkpụrụokwu iji were nweta nghọta ihe e bu n'uche. Ogechukwu (2013:46) hụtara nsọkwunye dịka otu n'ime nkejiasụsụ anyị nwere n'asụsụ Igbo nke na-esote mkpọaha maọbụ ngwaa n'azụ n'ahịrịokwu. Ọ gakwara n'ihu kwuo na nsọkwunye na-enye ahịrịokwu nghọta, na dịka aha ya siri dị, ọ bụghị na ọ bụrụ na ọ dịghị n'okwu na okwu ahụ agaghị enwe nghọta kama ọ na-abụ mkpụrụasụsụ a gbakwụnyere n'okwuiji were wetaruo nkọwa okwu ahụ n'isi. Mgbe a na-ede ya, a naghị edekọ ya na okwu ọ na-eso kama a na-edesa ya edesa.

Ihe gbasara nsọkwunye dịka otu n'ime nkejiasụsụ e nwere awaala ọtụtụ ndị isi n'ebe ọ dị ukwuu, ụfọdụ na-enwe ihe mgbagwojuanya n'ebe nsọkwunyena mgbakwụnye dị, ebe ọtụtụ na-ajụ maọbụ n'ebe ọbụla ka e nwere ike ịhụ ya n'usorookwu Igbo tụmadị n'olundị dị iche iche. Nke a mere ka ndị nchọcha were ya dịka ihe dị mkpa ịchọpụta ọnọdụ nsọkwunye n'usorookwu Igbo tụmadị n'olundị Ụmụahịa.

Ihe gbasara nsọkwụnye na-ebute mgbagwojuanya nye ndị mmadụ tụmadị ndị na-amụ asụsụ Igbo. Ụfọdụ anaghị am andịiche dị n'etiti nsọkwụnye na mgbakwụnye. Mgbe ụfọdụ, ọnọdụ ya n'usorookwu olundị ụfọdụ na-abụ nsonye nyekwa ọtụtụ ndị. Nke a mere anyị ji chọọ ime ka ihe gbasara nsọkwụny doo anya nke ọma ma mekwa ka a mata ọnọdụ o nwere ike ịnọ n'usorookwu n'olundị Ụmụahịa.

Mbunuche nchọcha bụ ịchọpụta nsọkwụnye dị iche iche e nwere n'olundị Ụmụahịa, ịmata ọnọdụ nakwa ọrụ ya n'olundị Ụmụahịa. Nchọcha a ga-abara ọhanaeze uru n'ebe ọ dị ukwuu, ọ kachasị ndị ụmụahịa. Nchọcha a ga-enye aka mee ka olundị Ụmụahịa pụtakwuo ihe ma gbochie nledaanya a na-eleda ụfọdụ olundị n'asụsụ Igbo. Nchọcha a ga-abụkwa ihe nlere anya nye ndị chọrọ ịmatakwu ihe gbasara nsọkwụnye. N'ebe ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ nọ, tụmadị ndị na-amụ ihe gbasara sayensị asụsụ ọ ga-enyere ha aka n'ebe ọ dị ukwu. N'ikpeazụ, nchọcha a ga-abụ ihe nlere anya nye ndị nkụzi nakwa ụmụakwụkwọ na ndị na-eme nchọcha n'ihe gbasara nsọkwụnye n'ọdịniihu.

## Ntụleghari Agụmagụ

### Nkọwa Nsọkwụnye

Nsọkwụnye (*clitics*) bụ okwu ndị Grik pụtara "Ndabe". Nke a gosiri na nkọwa niile e nyere maka nsọkwụnye gbadoro ụkwụ na ọ naghị akwụrụ onwe ya, dabara adaba. Ọ na-adabere n'okwu ọzọ wee wepụta nghọta a chọrọ.

Emenanjo (1978) na-akwọwa na nsọkwunye na-apụta ihe nke ukwuu n'asụsụ Igbo nke na o toruru ị hụta ya dị ka nkejiasụsụ n'Igbo. Ọ gara n'ihu kwuo n'oge gara aga a na-achịkọta nsonaazụ na nsokwunye dịka nsonaazụ ma ọ dịghị otu a ugbu a. Nke a kwadoro Green na Igwe (1963) ndị na-ekwu na ọtụtụ nsokwunye dịka -kwa, -si, tu, -di, dgz bụ ndị nke a na-akọwa dịka nsonaazụ. Ezeomeke (2004) n'aka nke ya gosikwara na nsọkwụnye dị ka mgbakwụnye, mana Ezeomeke gara n'ihu kwuo na nsọkwụnye nwere ụdị agwa ọ na-akpa nke a mere o jiri wepu ya n'ihe gbasara mgbakwụnye. O kwukwara na agwa nsọkwụnye a bụ mgbe ọbụla ọ na-eso okwu ọbụla abụghị ngwaa maọbụ isingwaa dịka mkpọaha, ọ na-anọpụ iche, kwụrụ onwe ya. Mana mgbakwụnye na-eso maọbụ tado na ngwaa.

Nzidiegwu, Okonye-Ogbalu na Ofoegbu (1997) sị na nsọkwụnye na-eme ka ahịrịokwu kwudosie ike ma na-egosi nrụtụ aka. Ikekonwu, Ezikeojiakụ na Ugoji (1999) na-ekwu na nsọkwụnye bụkwa mkpụrụasụsụ (mọfịm) bụ nke e nwere ike ịgbakwụnyere ngwaa ahụ.

Emenanjo, Okolie na Ekwe (2004) kọwara na nsọkwunye bụ irighiri okwu nwere ike iso aha maọbụ ngwaa. Na nkọwa ha, ọ pụtara na ọ bụ sọ ngwaa maọbụ aha ka nsokwunye nwere ike iso. Aha ebe a gụnyere ngalaba niile dị na mkpọaha.

Ezeomeke (2004) gosiri na nsọkwụnye dị ka mgbakwụnye; mana Ezeomeke gara n'ihu kwuo na o nwere ụdị agwa nsọkwụnye na-akpa mere ya jiri wepụ ya n'ime mgbakwunye. Ezeomeke kwukwara na agwa nsọkwụnye na mgbakwụnye bụ na mgbe ọbụla ọ na-eso okwu ọbụla abụghị ngwaa maọbụ isingwaa dịka mkpọaha, ọ na-anọpụ iche, kwụrụ onwe ya. Mgbakwụnye na-eso maọbụ atapado sọ na ngwaa. E nweghị nkejiasụsụ ọzọ ya na mgbakwụnye na-agakọ mana nsọkwụnye nwere ike iso nkejiasụsụ ọbụla ọ kachasị ngwaa na mkpọaha. Nsọkwụnye nọrọ n'ihu ngwaa, a na-edokọ ya na ngwaa ahụ ọnụ.

Ume, Ugoji na Dike (2015) rụtụrụ aka na nsọkwụnye bụ otu n'ime nkejiasụsụ nke nwere ike iso ngwaa. Ọ dị ka mgbakwụnye ebe ọ bụ na okwu si na nkejiasụsụ ndị ọzọ nwere ike ịkwụ ya n'ihu e wezụga mbuụzọ. Iji kọwapụta ndịiche dị n'etiti nsọkwụnye na nsonaazụ, ha kọwara na nsọkwụnye yiri nsonaazụ ma ọ bụrụ na ọ na-eso ngwaa.

Nsọkwunye na-egosipụta mpụtara dị iche iche nke ahịrịokwu ọ nọ na ya. Dịka aha ya siri dị, ọ bụghị na ọ bụrụ na ọ dịghị n'okwu na okwu ahụ agaghị enwe nghọta kama ọ na-abụ mkpụrụ asụsụ a gbakwụnyere n'okwu iji were wetaruo nkọwa okwu ahụ n'isi.

Usorookwu bụ ụzọ e si ewekọta mkpụrụokwu iji nweta nkebiokwu, nkebiahịrị maọbụ ahịrịokwu nwere nghọta zuru oke. Ndimele (1999) kwenyere na ndị mmadụ anaghị asụ asụsụ site n'isere mkpụrụokwu ọbụla sọrọ ha, kama, ha na-asụ asụsụ site n'isere mkpụrụokwu ma hazie ha nke ọma dịka iwu na-achị mmebe usoro asụsụ siri dị. O kwukwara na asụsụ ọbụla nwere usoro ndokọ ahịrịokwu.

Anigbogu, Mbah na Emeh (2001) kwuru na usorookwu bụ nhazi mkpụrụokwu si otu ahụ wube ahịrịokwu, nkebiahịrị na ọtụtụ ndokọ ndị ọzọ. Mbah (2014) hụtara usorookwu dịka isi sekpụ ntị n'amụmamụ ụtọasụsụ. O kwenyere na tupu e nweta ahịrịokwu dịziri adịzi ma nwee echiche, na ọ bụ ọrụ usorookwu ikwudosi ike ma kọwaa ka asụsụ dị iche iche ji enweta ihe a chọrọ. Udemmadu na Egwuonwu-Chimezie (2022) na-akọwa usorookwu dịka ngalaba sayensị asụsụ na-eleba anya n'usoro e si edekọ okwu n'ụzọ ziri ezi ka e wee mepụta nkebiokwu, nkebiahịrị maọbụ ahịrịokwu

Usorookwu bụ mwekọta a na-ewekọta mkpụrụokwu site n'akụkụ nkejiasụsụ dị icheiche iji nweta nkebiokwu, nkebiahịrị na ahịrịokwu nwere ezi nghọta.

**Atụtụ Nchọcha**

Atutu metutara isiokwu a bu Atutu Echiche nhazi Asusu *(Structuralist Theory)*

Echiche nhazi Asusu bụ otu n'ime echiche sayensị asụsụ kacha baa uru n'ịmụ nhazi na usoro asụsụ. Ferdinand de Saussure, bụ onye guzobere echiche a, kwusiri ike na a ghaghị ile asụsụ anya dị ka usoro zuru oke (*system*) nke mejupụtara akụkụ dị iche iche na-arụkọ ọrụ ọnụ. Ya mere, ihe pụtara asụsụ adịghị n'otu mkpụrụokwu naanị ya, kama ọ dị na mmekọrịta dị n'etiti mkpụrụokwu na ihe ndị gbara ya gburugburu n'usoro asụsụ.

Echiche nhazi Asusu na-adabere n'echiche ụfọdụ dị mkpa. Nke mbụ bụ *langue* na *parole. Langue* na-ezo aka n'usoro asụsụ nke obodo dum na-ekerịta. iwu na nhazi nke asụsụ.

N'ọmụmụ a gbasara nsọkwunye na usorookwu n'olundi Umuahia, a na-elekwasị anya karịsịa na *langue*, ya bụ iwu na nhazi e ji emepụta mkpụrụokwu ọhụrụ n'olundi a, ọ bụghị naanị etu onye ọbụla si kwuo ha.

Echiche nhazi Asusu na-ekwu na njikọ dị n'etiti ha abụghị nke eke kama ọ bụ nke ọha mmadụ kwadoro. Nke a dị mkpa n'ịmụ nsọkwunye n'olundi Ụmụahịa n'ihi na mgbe mkpụrụokwu abụọ jikọtara, a na-enweta akara asụsụ ọhụrụ nke nkọwa ya abụghị naanị ngụkọta nkọwa nke mkpụrụokwu abụọ ahụ, kama ọ na-enweta nkọwa ọhụrụ n'usoro asụsụ.

N'ọmụmụ a gbasara ọnọdụ nsọkwunye na usorookwu n'olundi Ụmụahịa, echiche nhazi Asusu na-enye ntọala sayensị iji nyochaa nhazi ime (*internal structure*) nke mkpụrụokwu nsọkwunye. Ọ na-enye aka ịkọwa etu mkpụrụokwu si ejikọ n'okpuru iwu na nhazi olundị Ụmụahịa, ma gosi na e nwere usoro doro anya e ji emepụta okwu ọhụrụ, ọ bụghị ihe e ji n'efu mee.

Echiche a na-enyekwara nchọcha a aka ịmata isiokwu (*head*) na mgbakwunye (*modifier*) n'ime nsọkwụnye, ya na etu nhazi a si emetụta nkọwa mkpụrụokwu dum. Site n'echiche usoro nhazi Asusu, a na-ahụta na nsokwunye na usorookwu n'olundi Ụmụahịa so n'akụkụ usoro asụsụ zuru oke nke na-achịkwa etu a ga-esi kee ma ghọta mkpụrụokwu.

**Nchọcha E Merela Metụtara Isiokwu**

Nke bụ eziokwu bụ na e meela ụfọdụ nchọcha ndị metụtara isiokwu nchọcha a nke bụ ọnọdụ nsọkwụnye n'usorookwu Ụmụahịa Igbo. E lebara anya n'ụfọdụ n'ime ha ebe a.

Karị (2002) mere nchọcha na ndịiche dị n'etiti nsọkwunye na mgbakwunye na Degema, Naịjirịa. Mbunuche nchọcha a bụ ịchọpụta ma nyochaa ndịiche dị n'etiti nsọkwunye na mgbakwunye na Degema nke dị na Naịjirịa. O nwetara njiatule site n'ederede ma jiri nkọwa zipụta nchọcha ya. Nchọcha a chọpụtara na ụfọdụ myiri dị n'etiti nsọkwunye na mgbakwunye dabeere na ndakọrịta ụdaume, ụdaolu na ndabere na mbudo. Ndịiche ndị e nwere ike ịhụta na nsọkwunye na mgbakwunye na Degema bụ; ụzọ e si ahọrọ ha, inwe ohere oge ụfọdụ na mkpụrụokwu, nsogbu na ụda nakwa na mpụtara. Na nchịkọta, nchọcha a kọwapụtara n'agbanyeghị etu nsokwunye na mgbakwụnye siri yie onwe ha, na ha abụghị otu ihe. Nchọcha Kari (2002) na nchọcha nke a yitere n'ihi na ha abụọ na-ekwu maka nsọkwunye kama ihe dị iche na nchọcha Karị na nke a bụ na Karị mere nchọcha ya na ndịiche dị n'etiti nsọkwunye na mgbakwunye na Degema Naịjirịa mana nchọcha a bụ Ọnọdụ nsọkwunye n'usorookwu olundị Ụmụahịa.

Udemmadu na Anidobe (2017) mere nchọcha na nsọkwunye n'asụsụ Igbo. Nchọcha ha hiwere isi na nsọkwunye iji chọpụta ọnọdụ ha na ọrụ ha. Njiatule nke ha ji mee nchọcha ha bụ nke ha nwetara site n'ọba akwụkwọ bụkwa nke ndị odee bụ ndị Igbo nyochara. Ha jiri usoro nkọwa nyochaa njiatule ha. Nchọcha ha kwadoro nchọcha ndị e meburu n'oge gara aga nke si na nsọkwunye nwere ike isote nkejiasụsụ ọbụla. Nchọcha ha chọpụtara na nsọkwunye nwere ike iso mbuụzọ. Ọrụ dị mkpa nke nsọkwunye na-arụ bụ ọrụ echiche. Ha na-ebupụta mpụtara nke okwu ha na-eso ma n'oge ụfọdụ na-ebupụtakwa mpụtara na echiche nke usorookwu ha nọ n'ime ya. Nchọcha Udemmadụ na Anidobe (2017) yiri nchọcha nke a na-eme ugbu a n'ihi na ha lebara anya na nsọkwunye, iji chọpụta ọnọdụ ha nakwa ọrụ ha mana nchọcha nke a na-eleba aya naanị n'ọnọdụ ha n'usorookwu olundị Ụmụahịa.

Akidi, Anumudu na Mgborogwu (2021) mere nchọcha na nnyocha nsọkwunye n'olu Mbanaasaa. Nchọcha a lebara anya na nsọkwunye n'olu Mbanaasaa. Njiatule e ji mee nchọcha a bụ mkparịtaụka nke ha na ndị mmadụ bụ ndị mbanaasaa mere. Ha sitere na mkparịtaụka ndị a wee wepụtasịa nsọkwunye ndị e nwegasịrị n'olu Mbanaasaa. Nchọcha a chọpụtara na e nwere nsọkwunye ebe ọ dị ukwuu n'olu ndị obodo ahụ. Ha gakwara n'ihu ịgwa ndị ọzọ ka ha mee nchọcha na nsọkwunye olumba ndị ọzọ dị iche iche. Nchọcha Akidi, Anumudu na Mgborogwu (2021) na nchọcha nke a yitụrụ n'ihi ha abụọ na-ekwu maka nsọkwunye kama ihe dị iche bụ na

nke ha lekwasịrị anya na nsọkwunye n'olu ndị Mbanaasaa ebe nchọcha nke a lebara anya n'ọnọdụ nsọkwunye n'usorookwu olundị Ụmụahịa.

Anyajemba na Mbagwu (2023) mere nchọcha na ntụlekọrịta dị n'etiti nsokwunye Igbo na nke Chaịnizi. Mbunuche nchọcha a bụ itụlekọrịta nsọkwụnye Igbo na nke Chaịnizi iji wepụta myiri na ndịiche dị n'etiti ha. Njiatụle e ji mee nchọcha a bụ nke e nwetere site n'ọrụ ndị e meburu gbasatara isiokwu nchọcha a. Usoro nkọwa ka e ji sekasịa njiatụle ndị e ji rụọ ọrụ na nchọcha a. N'amụmamụ ụda, ndabere nke ụdaolu ha nye mbudo n'asụsụ abụọ ndị a bụ nke doro anya. Na mmebeokwu nsọkwunye Igbo na-apụta ihe n'ogo mkpụrụokwu ebe nsọkwunye Chaịnizi na-enwe ụdịdị mgbakwụnye nke nkebiokwu. Nchọcha a chịkọtara na ọ bụ ezie na ihe banyere nsokwunye zuru ụwa ọnụ ma e nwere ndịiche dị n'etiti nsọkwụnye nke Igbo na nke Chaịnizi n'ihi na ha abụọ abụghị otu ihe. Nchọcha Anajemba na Mbagwu yiri nchọcha nke a n'ihi na ha abụọ nyochara nsọkwunye Igbo; ma ha dị iche n'ihi na nchọcha ha lebara anya naanị na nsọkwunye Igbo na nke Chaịnizi ebe nchọcha nke a lebara anya n'ọndụ nsọkwunye n'usorookwu olundị Ụmụahịa.

N'isiokwu a, ndị nchọcha jiri nwayọ kọwaa ihe niile gbasara nsọkwunye ma deekwa ihe ndị odee derela maka ya bụ ọkpụrụkpụ okwu bụ isi sekpụ ntị na nchọcha a. Ha gakwara n'ihu kọwaa ihe bụ usorookwu ebe ọ ga-edo ewu na ọkụkọ anya. N'ihi usoro nchọcha, na nchọcha ọbụla ga-agbado ụkwụ na nke ndị bu ya ụzọ, ndị nchọcha gara n'ihu wepụta ụfọdụ nchọcha ọtụtụ ndị merela gbasara nsọkwunye, myiri na ndịiche dị na nchọcha ndị ahụ na nke ugbu a.

**Usoro Nchọcha**

Usoro nchọcha a gbasoro bụ usoro ntụlekọrịta. A ga-esite na mkparịtaụka ndị nchọcha na ụmụafọ Ụmụahịa nwere nakwa ụfọdụ akwụkwọ ederela gbasara nsọkwunye wee mee nchọcha a. Ndị omenchọcha jikwa akọnuche ha nwere n'asụsụ Ụmụahịa wee nwetakwa ọtụtụ ihe e ji eme nchọcha.

**Ngosipụta na Nsekasị ihe a Chọpụtara**

N'ebe a ka ndị nchọcha ga-eme ka o doo anya bụ ihe ndị ọ chọpụtara site n'isekasị ya n'usoro ga-ekwe nghọta. Ya bụ ime ka a mata ma e nwere nsọkwụnye n'olu Ụmụahịa, ọnọdụ ha na ọrụ ha n'usorookwu.

**Nsọkwụnye Olu Ụmụahịa**

Nchọcha a chọpụtara na nsọkwụnye dị n'olundị Ụmụahịa na-agbaso usoro nkejiokwu ndị a:

**Ọmụmaatụ 1.**

**CV:** cha, dụ, fụ, kwa, ri, zi, kwu, kwa, du, nu, nụ, si, hụ, tụ, tụ, tọ, hu, tu, to, ga, so, te, ta

**CVV:** fuu, kaa, nọọ

**CVCV:** kwanụ, godu, kete, kene, tọrọ, ohoo, tunu, tụkwa

Iji ahịrịokwu gosipụta nsọkwụnye ndị a:

Akwụkwọ iri cha gbara ọkụ.
Olee ihe wụdi ihe a?
I tinyetụghị ya ji?
. Ego ole ka a ga-enye gị nọọ ya ezuo?
Bịa nso ka ị nụ ihe ọ na-ekwunụ.
Leziezi anya ma ụnụ na-aga.
Kporutunụ n'ala ka agadi nwaanyị a kporuo n'oche.
Gị nwa bi ebe a?
Taata ka anyị hụrụ ya.

So ji ka o nyere m.
Ị gaga ụlọ ụnụ?
I kwuru ya ri ma a maghị m.
Ọ na-ebeta akwa nke ọma
Ụlọ ise zi ka o wuru.
Olee du ihe o mere gị?
Meziha ya otu dị mma.
Legodi ihe ị na-eme ebe ahụ.
Ishi ọ di gị mma?
Lee ka ọ na-atụ ya ahịa.
Chefufuo ya, o meela wụ o meela.
Gosipụtakwuo ọmụmaatụ ndị ọzọ
Nwaanyị ojii fu ka ha na-achọ.
Ihe a nnọọ I ji bịa?
Ngọzi, Nkiru na kwa Uche bịara taa.
Uwe ya niile zi ka ha dọkara.

**Ọnọdụ Nsọkwụnye n'Olu Ụmụahịa**

A na-ahụta nsọkwcnye n'ebe dị icheiche n'usorookwu olu Ụmụahịa nakwa usoro ndị ọzọ. N'ebe a, ahịrịokwu dị icheiche bụ ndị ga-egosi ọnọdụ nsọkwụnye n'olu Ụmụahịa.

**cha**

**Ọmụmaatụ 3:**

a. Ube ise cha ka I nyere m.
b. I riri ji na ede niile ahụ cha.

**Ọmụmaatụ (a) na (b) gosịrị na nsọkwụnye cha nwere ike ịnọ n'etiti maọbụ na ngwụcha usorookwu.**

**dụ**

**Ọmụmaatụ 4:**

a. Gịnị dụ ka m mere gị?
b. Ọ bụ gịnị bụ ihe a dụ?

**Ọmụmaatụ (a) na (b) gosịrị na nsọkwụnye du nere ike ịnọ n'etiti maọbụ bụ na ngwụcha usorookwu.**

**kọ**

**Ọmụmaatụ 5:**

a. Nyekọ m mmiri
b. Weta mmiri kọ.

Kọ dịka nsọkwunye nwere ike iso ngwaa bu ụzọ n'usoookwu maọbụ nọrọ na ngwụcha ya.

**kaa**

**Ọmụmaatụ 6:**

a. Kaa biko haa m aka.
b. Emela ihe a ị chọrọ ime kaa.
ch. Ngozi kaa haa m aka

Kaa dịka nsọkwunye nwere ike ịnọ n'ihu, etiti maọbụ na ngwụcha

**nọọ**

**Ọmụmaatụ 7:**

a. Ihe a nnọọ ka i ji ekwu okwu.
b. Nke a ka ị ma nnọọ.

ch. Nnọọ ihe i kwuru ka i ji bịa.
Nnọọ nwere ike ịnọ n'ihu, etiti maọbụ ngwụcha usorookwu

**nụ**

**Ọmụmaatụ 8;**

a. Bịanụ echi
b. Bịa echi nụ.
ch. Ụnụ bịanụ shie nri.

**Ọmụmaatụ a na-egosi na nụ nwere ike ịnọ ọnọdụ ọbụla n'usorookwu.**

**zi**

**Ọmụmaatụ 9:**

a. Ndịị ihe wụzi nke a?
b. Ndịị ihe wụ nke a zi?
ch. Ndịị zi ihe nke a wụ?
Zi dịka nsọkwunye nwere ike ịnọ n'etiti maọbụ na ngwụcha.

**nwa**

**Ọmụmaatụ 10:**

a. Ha nwa mere ya, enweghị onye ọzọ.
b. Anyị ma na ọ bụ gị nwa.
'Nwa' nwere ike ịnọ n'etiti maọbụ na ngwụcha ma o nweghị ike ịnọ na mbido usorookwu.

**kwanụ**

**Ọmụmaatụ 11:**

a. Ọ bụ gịnị kwanụ?
b. Ọ bụkwanụ gịnị?
ch. Onye kwanụ riri ya?
kwanụ dịka ọmụmaatụ nsọkwunye nwere ike ịnọ n'ihu, etiti nakwa ngwụcha.

**godu**

**Ọmmaatụ 12:**

a. Uche bịagodu biko
b. Bikogodu lee ihe a.
ch. Ngwa ị bịagodu.

**Ọmụmaatụ a na na-egosi na godu dịka nsọkwunye nwere ike ịnọ n'etiti na, na ngwụcha usorookwu.**

**Ọmụmaatụ ndị a niile anyị rụtụgasịrị aka na-egosi na ọnọdụ nsọkwụnye nwere ike ịbụ na mbido, n'etiti maọbụ na ngwụcha usorookwu Igbo. Iji kwado nke a, Emenanjo, Okolie na Ekwe (2004:48) kwuru na nsọkwụnye nwere ike ịnọ ebe ọbụla n'usorookwu olu Ụmụahịa.**

Ụfọdụ nsọkwụnye ka ọnọdụ ha bụ sọ n'etiti ihe ọ sọrọ sị mee. E webata ha ebe ọzọ, usorookwu ahụ agaghị enwe nghọta. Ọmụmaatụ ha bụ: ga, tụ, tọ, nụnta, tọọ, kete, ka, ha, zụ, ta, kọọ, dgz.

**Nchịkọta na Mmechi**

Na nchọcha a, ndị nchọcha chọpụtara na e nwere ọtụtụ nsọkwụnye n'olu Ụmụahịa. Ọtụtụ n'ime ha dịka nke e nwere n'Igbo Izugbe. A chọpụtakwara na nsọkwụnye nwere ike ịnọ ọnọdụ ọbụla n'usorookwu Igbo nke gụnyere, n'ihu, etiti maọbụ na ngwụcha usorookwu maọbụ ahịrịokwu. Ụfọdụ nsọkwụnye na-ahọ ọnọdụ ha ga-anọ n'usorookwu. Nsọkwụnye na-arụ ọrụ itinyekwu nghọta n'okwu.

A na-ahụta nsọkwụnye n'olu Ụmụahịa nwere ike iwere ọnọdụ ya ebe ọbụla masịrị ya n'usorookwu. O nwere ike ịnọ n'ime ngwaa. N'ọnọdụ a, ọ ga-eso ngwaa ozigbo tupu

mgbakwụnye ọbụla. Nsọkwụnye nwere ike iso aha, njụajụjụ, nnọchiaha, ọnụọgụgụ, njikọ, nkwuwa, nrụaka, mkpokọta nkọwa wdg. Anyị akwadola ọrụ nchọcha ndị ọzọ kwuru na nsọkwụny nwere ike iso nkejiasụsụ dị icheiche site n'ileba anya na nsọkwụnye olu Ụmụahịa (lee ọmụmaatụ 2).

**Edensibịa**


Anajemba, E.N. & Mbagwu, D.U. (2023). Enclitics in Igbo and Chinese: A comparative analysis. *Awka Journal of Linguistics and Languages*, 1. 85-106.

Anigbogu, P.N.; Mbah, B.M. & Eme, C.A. (2001). *Introduction to Linguistics.* Awka: JFC Ltd.

Emenanjọ, E.N. (1978). *Element of modern Igbo grammar.* Ibadan: University press.

Emenanjọ, E.N., Okolie, O.O. & Ekwe, B.U. (2004). *Igbo maka siniọ sekọndịrị (2).* Ibadan: University press.

Ezeomeke, S.O. (2004). *Igodo nghọta ụtọasụsụ Igbo.* Enugu: Easy-ọuality press.

Green, M.M. & Igwe, G.E. (1963). *A descriptive grammar of Igbo.* London: Oụford University press.

Ikekọnwụ, C., Ezikeojiakụ, P.A. & Ugoji, J. (1999). *Fọnọlọji na ụtọasụsụ Igbo*. Lagos: Longman.

Karị, E.E. (2002). Distinguishing between clitics and affiụes in Degema, Nigeria. African study monographs, 23(3), 91-115

Mbah, B.M. na Mbah, E.E. (2014). *Atụtụ amụmamụ asụsụ.* Nsụka: University of Nigeria Press.

Ndimele, O.M. (1999). *Morphology and Syntaụ*. Port Harcourt: Emhai printing & publishing Co.

Nwozuzu, G.I. (2017). *Dialects of Igbo Language.* Nsukka: University of Nigeria press.

Nzidiegwu, B.I.; Okonye-Ogbalu, F.S. na Ofoegbu, N.K. (1997). *Ọgbara ọhụrụ ụtọasụsụ Igbo maka jiniọ sekọndrị*. Onitsha: Harton Publishers.

Ofomata, C.E. (2004). *Ndezu ụtọasụsụ Igbo nke ndị siniọ sekọndịrị*. Enugu: Format publishers.

Okafọ, C.U. & Ewelukwa, U. (2008). *Nhazi asụsụ Igbo maka ule siniọ sekọndịrị na kọleeji W.A.S.S.C.E, N.E.C.O., G.C.E., J.A.M.B.* Onitsha: A.C. Publishers.

Udemmadu, T. & Anidobe C.J. (2017). On Englitics in the Igbo Language. Preori Journal of Arts and Humanities 2(2), 1-6.

Udemmadu, T.N. & Egwuonwu-Chimezie, G.N. (2022). *Ụtọasụsụ na Usorookwu Igbo*. *Grama na Sintasks Igbo.* Onitcha: Durability Press

Ume, I.A., Ugorji, J.U. & Dike, G.A. (2015). *Ụmị nkọwa ụtọasụsụ Igbo.* Onitsha: Kawuriz & Manilas publishers.

Ugwuona, C.N., Nwankwo, O.A. & Nweze, M.I. (2020). *Ntọala na Isiokwu ụfọdụ na Fọnọlọji Igbo Tinyere Olundi*. Enugu: University of Nigeria Press.